Nsogbu Ụmụakwụkwọ Na-Enwe N'itinye Akara Ụdaolu Na Mkpụrụokwu Igbo Izugbe N'ogo Siniọ Sekọndịrị Na Zonu Mmụta Udi, Steeti Enugwu

By

Uchenna Fabian Ude Ph.D[1]
Department of Arts Education,
Faculty of Education, University of Nigeria, Nsukka.
e-mail: uchenna.ude@unn.ng.
Phone: 08064231662

Magnus A. Aniago Ph.D[2]
Institute and African Studies, University of Nigeria, Nsukka
e-mail: magnus.aniago@unn.edu.ng.
Phone: 07064977068
Corresponding author*

Chidera Josephine Ugwuamoke[3]
Department of Arts Education,
Faculty of Education, University of Nigeria, Nsukka.
e-mail: chiderajosephineogbobe@gmail.com.
Phone: 08164444229

Ụmị

Isiokwu nchọcha a bụ 'Nsogbu ụmụakwụkwọ na-enwe n'itinye akara ụdaolu na mkpụrụokwu Igbo izugbe n'ogo siniọ sekọndịrị na Zonu Mmụta Udi, Steeti Enugwu. Ndị nchọcha hụtara na ụmụakwụkwọ nọ na zonu mmụta Udi anaghị emecha nke ọma n'ihe gbasara itinye akara ụdaolu n'okwu Igbo izugbe nke na-emetụta ha n'ule dị iche iche dịka nke SSCE. Ọnọdụ a kpalitere mmụọ ndị nchọcha iji bagide ime nchọcha a iji chọpụta nsogbu dị iche iche ha na-enwe n'itinye akara ụdaolu na mkpụrụokwu Igbo izugbe. Ụdị nchọcha ndị nchọcha ji mee nchọcha a bụ nke sọvee nkọwa. Ọnụọgụ e ji mee nchọcha a bụ ụmụakwụkwọ siniọ sekọndịrị nke abụọ. Mgbakọta ọnụọgụ ha dị otu puku, narị isii na iri ise (1,650). N'ime ọnụọgụ ahụ ndị nchọcha seere ụmụakwụkwọ dị narị abụọ (200) bụ ndị nzaajụjụ site n'iji usoro nsere tụmbọm tụmbọm. Ngwa nchọcha ndị nchọcha ji mee nchọcha a bụ "Njụmaza Nsogbu

Ụmụakwụkwọ na-enwe n'itinye Akara Ụdaolu na Mkpụrụ okwu Igbo Izugbe (NNUIAUMII) nke nwere ndịna iri abụọ na ise ma bụrụkwa nke ndị nchọcha mepụtara n'onwe ha. Ndị ọkammụta atọ na mahadum Naijiriịa nyochara ngwa nchọcha ahụ. Ngwa ntụcha ndị nchọcha ji tụchaa ihe ọrụ e nwetara na nchọcha bụ miin na ndịpụ n'izugbe ebe akara miin ọnọdụ mkpebi bụ 2.50. Nchọpụta nchọcha a gosiri na olundị Udi, ngwa nkụzi ndị nkụzi ji akụzi ihe, mmasị ụmụakwụkwọ, usoro nkụzi na ọdịdị asụsụ Igbo bụcha nsogbu ụmụakwụkwọ na-enwe n'itinye akara ụdaolu n'okwu Igbo izugbe. Ndị nchọcha tụrụ aro dị iche iche dịka ndị nkụzi ịgba mbọ na-eji Igbo izugbe akụziri ụmụakwụkwọ akara ụdaolu na ndị ọzọ.

Okpụrụkpụ Okwu: Asụsụ, Asụsụ Igbo, Akara ụdaolu, Olundị, Mkpụrụokwu, Mmasị na Ọdịdị asụsụ Igbo.

Mkpọlite

Ntọala Nchọcha

Asụsụ bụ mkpụrụụda e kpokọbara wee mebee mkpụrụokwu nke e ji ezipụta echiche. Nke a pụtara na ọ bụ asụsụ ka mmadụ ji ezipụta ihe o bu n'obi. A na-ahụta asụsụ dịka ngwa maọbụ akarangwa mmadụ na ibe ya ji emekọrịta. E wepụ asụsụ, mmekọrịta mmadụ na ibe ya agaghị adị ire. Ọ bụ asụsụ ka mmadụ na-eji akparịta ụka, ezipụta echiche obi ya, atụpụta atụmatụ ya, ma na-ezipụta mmetụta o nwere n'ebe mmadụ ibe ya nọ. Obodo maọbụ mba, maọbụ agbụrụ ọbụla nwere asụsụ ha na-asụ. Ọ bụ ya ka Onu na Obianika (2019) jiri kọwaa na asụsụ dị ezigbo mkpa n'obodo maọbụ agbụrụ, n'ihi na ihe kacha njọ nwere ike ime agbụrụ abụghị enweghị ego maọbụ akụnaụba, kama ọ bụ enweghị asụsụ. N'ihi nke a, ha kọwara na obodo enweghị asụsụ nwụrụ anwụ. Asụsụ bụ ihe na-akpalite mmekọrịta mmadụ na ibe ya. N'ịkwado nke a, Crystal (2021) kọwara na asụsụ bụ ihe e kpebiri iji na-emekọrịta, nke ụmụ mmadụ, dịka ndị so n'ótù òtù ma na-emekwa otu ụdị omenaala, ji akọwa ma na-ezipụta ebumnobi ha. Ọ kọwara na asụsụ gụnyere akara, nke nwere ike ịdị n'ụdị mmegharị ahụ (ife aka, ikwe n'isi, ifufe n'isi, ịrụ aka, ịtabi anya), nke mmadụ ji ezipụta obi ọma ya maọbụ obi mwute ya, nke mmadụ ibe ya ga-aghọta.

Nke a mere ka Gọọmenti etiti nke obodo Naijiriịa wepụta asụsụ Naijiriịa atọ gbara ọkpụrụkpụ, nke gụnyere: Igbo, Hausa na Yoruba; ka ha bụrụ asụsụ pụtara ihe n'ala Naịjiriịa. Asụsụ Igbo bụ otu n'ime asụsụ atọ ndị a pụtara ihe na Naịjiriịa, bụ

asụsụ a na-asụ na mpaghara ọdịda anyanwụ nke mba Afrịka. Ndị nwe asụsụ Igbo kpọmkwem bụ ndị Igbo, ma bụrụkwa ndị na-asụkarị ya. Ndị Igbo bụ ndị isi ojii bi n'ala Igbo, ma bụrụkwa ndị e ji ịsụ asụsụ Igbo wee mara. Ndị Igbo bi na Steeti Anambra, Abịa, Enugu, Ebonyi, Imo, Delta, Akwa-Ibom, Rivas, nakwa ebe ụfọdụ na Steetị Kogi.

E nwere olu dị iche iche steeti ndị Igbo ọbụla ji asụ Igbo nke a na-akpọ olundị. Olundị bụ olu dị iche iche e nwere ike iji wee sụọ otu asụsụ. E nwekwara ike ịkọwa olundị dịka ụzọ dị iche iche ndị dị iche iche nwere otu asụsụ maọbụ bụrụ otu agbụrụ nwere ike isi sụọ asụsụ ahụ, nke ezughị agbụrụ ahụ ọnụ. Ude (2018) kọwara olundị dịka asụsụ ndị ọbụla na-asụ na be ha nke ezughi Igbo niile ọnụ. Olundị bụ asụsụ nwere ndị nwe ya iche. Olundị dị ire n'ala Igbo n'ihi na ndị Igbo dị ọtụtụ. Ọ bụ etu ahụ ndị Igbo si dị ọtụtụ ka olu ha ji asụ Igbo si wee dị ọtụtụ. Oge ụfọdụ, ọ na-esiri ndị Igbo ike ịghọta onye Igbo ibe ya ji olundị agwa ha okwu ma ọ bụrụ na ha abụọ esighị n'otu mba. Iji maa atụ, onye Abakaliki agaghị aghọta ihe onye Nsụka na-ekwu ma ọ bụrụ na onye Nsụka ahụ were olu Nsụka wee na-agwa onye Abakaliki ahụ okwu. Oge ụfọdụ, otu obodo enwee olu dị iche iche ha ji akpọpụta ihe. N'ịkwado nke a, Nordquist (2019) kọwara na ọ bụrụ na mmadụ esi n'otu obodo gaa n'obodo ọzọ, onye ahụ aghaghị ịchọpụta mgbanwe dịgasị n'olu ndị obodo ahụ.

Ọ bụ nchịkọta olundị dị iche iche nke e kwekọrịtara ka e jiri na-eziriịta ozi n'ebe e nwere ọgbakọ ndị Igbo si obodo dị iche iche. Ọ bụ Igbo Izugbe bụ ụdị Igbo a na-etosighị ịkọwara onye ọbụla bụ onye Igbo mgbe ọbụla a sụrụ ya. E mebere Igbo Izugbe ka ọ bụrụ Igbo e ji eziriịta ozi n'ebe ndị Igbo dị iche iche nọ. Ọ bụ ya ka a kwadoro ka ụmụakwụkwọ were na-ede ihe n'ụlọakwụkwọ. Nke a kpatara o ji dị mkpa ka onye nkụzi Igbo ọbụla nwee nnukwu ọzụzụ na mmụta gbasara Igbo izugbe ka o nwee ike ịkụziri ụmụakwụkwọ ihe nke ọma n'Igbo na-agwakọrịtaghị olundị na Igbo Izugbe na nkụzi ọ na-akụzi. N'ihi mkpa Igbo Izugbe dị ka e ji amụ ya n'ụlọakwụkwọ; ma n'ogo dị nta ma n'ogo dị elu iji nyere nwa afọ Igbo ọbụla aka n'ọdịniihu.

N'ọmụmụ asụsụ Igbo n'ogo agụmakwụkwọ dị iche iche, a na-akụzi ụtọasụsụ, edemede, agụmagụ na omenaala. N'ime alaka ndị ahụ, ọ bụ ụtọasụsụ ka ndị nchọcha họọrọ ileba anya na ya. Ụtọasụsụ bụ iwu na-achịkwa ọmụmụ asụsụ dị

iche iche. Ude (2016) kọwara ụtọasụsụ dịka iwu dị iche iche dị n'asụsụ ọbụla nke a tụrụ anya na ọmụụ ga-edebe iji gosi na ọ mụtala asụsụ ahụ. N'ime ụtọasụsụ, ụdaolu so n'otu alaka a na-amụ na ya, nke ndị nchọcha ga-eleba anya na ya n'ihi na asụsụ Igbo bụ asụsụ ụdaolu.

N'ọmụmụ ụtọasụsụ Igbo, ọ kachasị n'akpọmakpọ; ụdaolu bụ otu ihe dị mkpa ịmụ n'ihi na ọ na-ezipụta ndịiche dị na mkpọpụta okwu abụọ yiri onwe ha na nsụpe. Ụdaolu bụ ogoolu maọbụ piichi e ji akpọpụta ụda dị na mkpụrụokwu. N'ihe gbasara ụdaolu, onyeisi ule WAEC (2021, 2022, 2023, 2024) depụtara ajụjụ nke abụọ e nyere ụmụakwụkwọ n'ule nke kwuru: "were akara ụdaolu zipụta na mkpụrụokwu ndị a nwere ike inwe nghọta abụọ ma depụta nke ọbụla na bekee (a) igwe (b) eze (ch) azụ (d) ukwu (e) ụzọ (f) oke (g) eke. Ọ gara n'ihu kọwaa na ajụjụ ahụ bụ maka ịkanye akara ụdaolu, n'ihi ya, a tụrụ anya na ụmụakwụkwọ ga-egosipụta na okwu ndị ahụ nwere nghọta abụọ maọbụ karịa site n'iji akara ụdaolu mee nke a. Ọtụtụ ụmụakwụkwọ zara ajụjụ ahụ mana ụfọdụ n'ime ha amaghị ebe a na-akanye akara ụdaolu n'ihi na ebe ụfọdụ kanyere ya n'okpuru mkpụrụ edemede; ndị ọzọ tịnyere ụdaolu nke ha n'elu mgbochiume karịa n'elu ụdaume. Nke a gosiri na ụdaolu bụụrụ ụmụakwụkwọ nsogbu, nke o nwere ike ọ bụrụ olundị ha na-emetụta ha n'ịmụ maka ụdaolu Igbo izugbe.

N'ịga n'ihu, asụsụ Igbo bụ asụsụ ụdaolu nke mere o ji ahịa ụfọdụ ụmụakwụkwọ ahụ ọmụmụ. Dịka Ofomata (2019) siri kọwaa, asụsụ Igbo bụ asụsụ nwere ụdaolu. Ụdaolu bụ ọnọdụ ogoolu na-anọ mgbe a na-akpọpụta mkpụrụokwu n'asụsụ Igbo. O nwere ike gbagoo, gbadaa ala maọbụ nọrọ n'etiti elu na ala ma ogoolu ọ gbagoro elu ka ọ gbadara ala ka ọ nọ n'etiti elu na ala. Ọ bụ asụsụ e ji ụda ya ma a na-asụ ya amata ihe ọ pụtara. Otu mkpụrụokwu ahụ dị ka a ga-esi mata ihe ọ na-akọwa. Na nkọwa banyere asụsụ ụdaolu, Emenanjọ (2004) kọwara na a bịa n'asụsụ ụdaolu, e ji piichi maọbụ ogoolu ezipụta ndịiche dị n'etiti mọfịm abụọ maọbụ karịa, nkebiokwu abụọ maọbụ karịa, dịka ha yiri onwe ha site n'ụdaume, myiriụdaume na mgbochiume dịgasị na ha.

Ọ bụ akara ụdaolu a na-etinye n'okwu Igbo ka e ji ama ihe okwu ahụ pụtara. Ọfọmata (2006) kọwara na ọ bụ akara ụdaolu na-egosipụta ndịiche n'ụda dị n'okwu ndị ahụ nwere otu myiri na ndapụta ha. Ọ bụ etu onye na-akpọpụta okwu ahụ si dowe olu ka akara ụda ya ga-esi wee dị. O nwere okwu ụfọdụ nwere nghọta

ruru abụọ maọbụ karịa n'asụsụ Igbo maọbụ naanị mgbe etinyere ha akaraụda ka a ga-enwe ike ịmata ha. Iji maatụ, akwa dị ụzọ anọ.
àkwà nke a na-edina edina
ákwà nke a na-eyi eyi
àkwá nke a na-ata ata
ákwá nke a na-ébé èbé.

E nwere ọtụtụ nsogbu dị iche iche ụmụakwụkwọ nwere ike inwe mgbe ha na-etinye akara ụdaolu na mkpụrụokwu nke gụnyere olundị. Olundị dị iche iche n'asụsụ Igbo karịrị asụsụ ndị ọzọ nke nwere ike ibute nsogbu mgbe a na-etinye akara ụdaolu na mkpụrụokwu. Olundị ndị a nwere ike na-emetụta Igbo izugbe mgbe ụmụakwụkwọ na-etinye akara ụdaolu Igbo na mkpụrụokwu. Iji kwado nke a, Ude (2016) kọwara na olundị na-emetụta ụmụakwụkwọ n'ịkanye akara ụdaolu n'okwu Igbo n'ihi na ụfọdụ ụmụakwụkwọ na-eji usoro mkpọpụta okwu nke olundị ha dị iche iche na-etinye akara ụdaolu n'okwu Igbo izugbe.

Ọ dịkwa ka a ga-asị na ọdịdị asụsụ Igbo nke pụtara ihe n'ụdị amaghị mkpụrụedemede Igbo, ebe a na-etinye ntụpọ na amaghị asụpe okwu Igbo, e nweghị ike ịgụ mkpụrụedemede Igbo nwekwara ike bụrụkwa nsogbu ọzọ ụmụakwụkwọ na-enwe n'itinye akara ụdaolu na mkpụrụokwu Igbo. Ntụpọ dị oke mkpa nke mere na ọ bụrụ na ọ dịghị ebe o kwesiri ịdị, o mee ka ebumnobi mkpọpụta ya bụ mkpụrụokwu nwee mgbanwe ghara inwe ezi nghọta. Usoro ndị nkụzi na-agbaso mgbe ha na-akụzi ụdaasụsụ Igbo, ọ bụkwa usoro ụmụakwụkwọ ga-aghọta nke ọma? Ọ bụ usoro ajụjụ na aziza ka onye nkụzi ahụ ji akụziri ụmụakwụkwọ ya ka ọ na-akụziri onwe ya (Nwadike, 1990).

Onye isi ule WAEC (2021, 2022, 2023, 2024) kọwara na ngwa nkụzi ndị nkụzi ji akụzi ihe nwere ike ibutere ụmụakwụkwọ nsogbu n'ịtịnye akara ụdaolu na mkpụrụokwu. Ngwa nkụzi ọ bụkwa ihe dabara n'isiokwu a na-akụzi, n'ihi na ngwa nkụzi dịka chaatị na-eme ka ụmụakwụkwọ hụ eserese isiokwu ahụ? Eserese isiokwu ahụ ga-eme ka ha ghọta ma chetakwa isiokwu ahụ mgbe ọbụla a jụrụ ajụjụ n'isiokwu ahụ. Ọ kọwakwara na ọ dị ka ndị nkụzi na-akụzi asụsụ Igbo so bụrụ otu nsogbu ụmụakwụkwọ na-enwe mgbe ha na-etinye akara ụdaolu na mkpụrụokwu. Ndị nkụzi na-akụzi asụsụ Igbo kwesiri ịma otu e si akpọpụta mkpụrụokwu Igbo nke ọma dị ka o si metụta ụdaolu. Iwu dị iche iche n'asụsụ

Igbo ka onye nkụzi ọbụla kwesiri ịma nke ọma n'ihi na onye nkụzi anaghị enye ihe ọ na-enweghị

Ihe ọzọ nwere ike imetụta ụmụakwụkwọ n'ịtịnye akara ụdaolu n'okwu Igbo Izugbe bụ enweghị mmasị n'ebe asụsụ Igbo dị. Ọtụtụ ụmụakwụkwọ enweghị mmasị ọbụla n'ebe asụsụ Igbo dị, n'ihi na ha na-elegara ya anya dịka ihe ọmụmụ tara nnukwu akpụ, nke mere ka mmasị ha fuo efuo n'ebe asụsụ Igbo dị. N'ihi nke a, ọtụtụ ụmụakwụkwọ na-agbara asụsụ Igbo ọsọ n'ihi ụjọ ịda n'ule. Udoye (2019) kọwara na ụmụakwụkwọ anaghị enwe mmasị n'ihe ọmụmụ asụsụ Igbo. Ha na-amụ asụsụ Igbo ka ha gafee n'ule, ọ bụghị na ha nwere mmasị n'asụsụ Igbo. Enweghi mmasị ụmụakwụkwọ n'ebe asụsụ Igbo dị na-ebute ọdịda n'ule asụsụ Igbo, ọkachasị n'ogo SSCE.

Atụtụ a gbasoro mee nchọcha a bụ nke akparamagwa nke Skinner (1957) kọwapụtara na ụbụrụ nwata ọbụla bịara ụwa e nweghị ihe ọbụla dị ya. Ọ kpọrọ nke a 'Tabular Rasa' nke kọwara na nwata ahụ bịara e nweghị ihe ọ bụla nọ ya n'isi gbasara ụwa maọbụ asụsụ. Ọ bụ ndị nkụzi nọ ya nso bụ ndụ na-akụziri ma gbaziere ya n'usoro mkpọpụta mkpụrụokwu ka o wee ghọta ma makwuazịa ka e si akpọpụta okwu ndị ahụ.

Na nchọcha a hụrụ anya, ndị nchọcha lebara anya n'ụfọdụ nchọcha emerela yitere nke a. Aroh na Ezugwu (2022) mere nchọcha n'isiokwu a kpọrọ 'Nsogbu ụmụakwụkwọ n'ogo praịmarị na-enwe n'ọgụgụ ihe e dere n'asụsụ Igbo n'okpuru ọchịchị ime obodo Igbo-Etiti, steeti Enugu. Nchọpụta nchọcha ha gosiri na agwa ndị nne na nna, ọdịdị asụsụ Igbo, agwa ndị isi ụlọakwụkwọ na mmasị ụmụakwụkwọ na-ebute nsogbu n'ọgụgụ ihe e dere n'asụsụ Igbo n'ebe ụmụakwụkwọ nọ. Onyishi (2001) mere nchọcha banyere nsogbu ụmụakwụkwọ na-enwe n'itinye akara ụdaolu na Nsụka. Na nchọcha ya, Onyishi chọpụtara na ụmụakwụkwọ na-enwe ọtụtụ nsogbu n'itinye akara ụdaolu na mkpụrụokwu Igbo n'ụlọakwụkwọ siniọ sekọndịrị dị na Nsụka.

N'ime nchọcha a hụrụ anya, ndị ahụ a tụlegharịrị, ndị nchọcha ugbu a chọpụtara na o nweghi onye merela nchọcha n'isiokwu a na-eme nchọcha na ya dị ka ndị nchọcha si matadebe. Ọ bụ nke a mere ndị nchọcha ugbu a ji bagide ime nchọcha

a n'isiokwu a bụ 'Nsogbu ụmụakwụkwọ n'ogo sinịọ sekọndịrị na-enwe n'itinye akara ụdaolu n'okwu Igbo na zonu mmụta Udi, Steeti Enugu.

Mbunuche Nchọcha

Mbunuche izugbe nchọcha a bụ ịchọpụta nsogbu ụmụakwụkwọ nọ n'ogo sinịọ sekọndịrị na-enwe n'itinye akara ụdaolu n'okwu Igbo izugbe. Nchọcha a ga-elebakwa anya kpọmkwem n'ịchọpụta ihe ndị a:

1. Ka olundị Udi si ebute nsogbu n'itinye akara ụdaolu n'okwu Igbo n'ebe ụmụakwụkwọ nọ.
2. Ka ụdị ngwa nkụzi ndị nkụzi ji akụziri ụmụakwụkwọ ihe si ebute nsogbu n'itinye akara ụdaolu n'okwu Igbo;
3. Etu usoro nkụzi ndị nkụzi ji akụzi akara ụdaolu Igbo si ebute nsogbu n'itinye akara ụdaolu n'okwu Igbo n'ebe ụmụakwụkwọ nọ;
4. Ka mmasị ụmụakwụkwọ nwere si ebute nsogbu n'itinye akara ụdaolu n'okwu Igbo.
5. Ka ọdịdị asụsụ Igbo si ebute nsogbu n'itinye akara ụdaolu n'okwu Igbo.

Ajụjụ Nchọcha

Iji wee duzie nchọcha a, ndị nchọcha hibere ajụjụ nchọcha ndị a:

1. Kedu ka olundị Udi si ebute nsogbu n'itinye akara ụdaolu n'okwu Igbo n'ebe ụmụakwụkwọ nọ?
2. Kedu ka ụdị ngwa nkụzi ndị nkụzi ji akụziri ụmụakwụkwọ ihe si ebute nsogbu n'itinye akara ụdaolu n'okwu Igbo?
3. Olee etu usoro nkụzi ndị nkụzi ji akụzi akara ụdaolu Igbo si ebute nsogbu n'itinye akara ụdaolu n'okwu Igbo n'ebe ụmụakwụkwọ nọ?
4. Kedu ka mmasị ụmụakwụkwọ nwere si ebute nsogbu n'itinye akara ụdaolu n'okwu Igbo?
5. Kedu ka ọdịdị asụsụ Igbo si ebute nsogbu n'itinye akara ụdaolu n'okwu Igbo?

Usoro

N'usoro a gbasoro mee nchọcha, ụdị nchọcha e ji mee nchọcha a bụ sọvee nkọwa. Sọvee nkọwa dịka Nworgu (2015) si kọwaa bụ ụdị nchọcha a na-eji eme nchọcha mgbe ọnụọgụ ndị a ga-eji mee nchọcha dị ọtụtụ nke a na-ewere ụfọdụ ka ha bụrụ ndị nnọchite anya ndị ọzọ. Ebe a nọrọ mee nchọcha a bụ na zonu mmụta Udi nke

nwere ụlọakwụkwọ sekọndịrị iri abụọ na atọ (23) nke gọvụmentị nwe. Ọnụọgụ ụmụakwụkwọ e ji mee nchọcha dị otu puku narị isii na iri ise (1,650) ndị nọ n'ogo sinịọ sekọndịrị nke abụọ (SS II). Ndị nchọcha seere ụmụakwụkwọ dị narị abụọ (200) n'ime ọnụọgụ nchọcha ahụ a kpọrọ aha ebe a site n'iji usoro nsere tụmbọm tụmbọm. Ngwa nchọcha e ji mee nchọcha bụ njụmaza a kpọrọ "Njụmaza Nsogbu Ụmụakwụkwọ na-enwe n'itinye Akara Ụdaolu na Mkpụrụokwu Igbo Izugbe" (NUIAUMII), nke nwere ndịna iri abụọ na ise. Ndị ọkammụta atọ na Fakọlti nke Edukeshọn na Mahadum Naịjirịa Nsụka nyochara ngwa nchọcha ahụ. N'usoro nnweta ihe ọrụ nchọcha a, ndị nchọcha gara n'ụlọakwụkwọ iri e seere maka nchọcha kee ụmụakwụkwọ njụmaza ndị ahụ nke ha gbakwara mbọ nakọta n'ezumoke. Ndị nchọcha ji ngwa ntụcha miin na ndịpụ n'izugbe wee tụcha ihe ọrụ e nwetara na nchọcha a. Akara miin ọbụla ruru 2.50 ka a nabatara na nchọcha a ebe ndị erughi 2.50 ka a nabataghị na nchọcha a.

Nchọpụta

Ajụjụ Nchọcha Nke Mbụ: Olee otu olundị Udi si eweta nsogbu n'ịtịnye akara ụdaolu n'okwu Igbo n'ebe ụmụakwụkwọ nọ?

Tebul nke Mbụ: Miin na ndịpụ n'izugbe maka nsogbu olundị Udi na-ebute n'ịtịnye akara ụdaolu n'okwu Igbo

N = 200

Ọgụ	Ndịna	EMI	EM	AM	AMI	$\bar{X}$	SD	Mkpebi
1.	Olundị Udi ndị nkụzi ji akụziri ụmụakwụkwọ akara ụdaolu na-ebutere ha mgbagwoju anya n'ịtịnye akara ụdaolu.	71	19	72	38	2.61	1.15	Anabatara
2.	N'ihi na ndị nkụzi na-eji olundị Udi akụziri ụmụakwụkwọ akaraụdaolu, nke a anaghị ekwe	57	86	32	25	2.87	0.96	Anabatara

	ụmụakwụkwọ ghọta mgbe okwu rịrị elu maọbụ mgbe ọ gbadara ala.							
3.	Ọtụtụ ndị nkụzi amaghị asụ Igbo izugbe nke mere na ọ bụ naanị olundị Udi ka ha ji akụziri ụmụakwụkwọ ụdaolu Igbo.	117	34	28	21	3.23	1.04	Anabatara
4.	Olundị Udi ndị nkụzi ji akụzi asụsụ Igbo anaghị ekwe ụmụakwụkwọ ghọta ịtịnye akara ụdaolu n'okwu abụọ nwere otu nsụpe.	103	65	19	13	3.29	0.88	Anabatara
5.	Ụfọdụ ndị nkụzi na-agwakọ olundị Udi na asụsụ Bekee nke na-eme ka ụmụakwụkwọ ghara ịma ụzọ ịtịnye akara ụdaolu n'okwu Igbo izugbe.	70	84	27	19	3.02	0.93	Anabatara
	Mgbakọtaọnụ Miin					**3.00**		

Tebul nke mbụ dị n'elu ebe a gosiri na olundị Udi na-ebute nsogbu n'ebe ụmụakwụkwọ nọ n'itinye akara ụdaolu n'okwu Igbo. Nke a pụtara ihe n'akara miin e nwetara na tebul nke mbụ ahụ nke gụnyere 2.61, 2.87, 3.23, 3.29, 3.02 na

ndịpụ n'izugbe ha n'otu n'otu gụnyere 1.15, 0.96, 1.04, 0.88 na 0.93. Akara miin ndị ahụ gafeere 2.50 nke bụ miin ọnọdụ mkpebi miin ndị a nabatara na nchọcha a. Nke ọzọ, akara miin mgbakọtaọnụ dịka o si dị na tebul nke mbụ bụ 3.00 nke gafekwara 2.50. Nke a pụtara na ụmụakwụkwọ kwetara na olundị Udi bụ nsogbu n'ebe itinye akara ụdaolu n'okwu Igbo.

Ajụjụ Nchọcha nke Abụọ: Kedu ka ngwa nkụzi ndị nkụzi ji akụzi asụsụ Igbo si ebutere ụmụakwụkwọ nsogbu n'ịtịnye akara ụdaolu?

Tebul nke Abụọ: Miin na ndịpụ n'izugbe gosiri etu ngwa nkụzi ndị nkụzi ji akụzi asụsụ Igbo si ebutere ụmụakwụkwọ nsogbu n'ịtịnye akara ụdaolu

Ọgụ	Ndịna	EMI	EM	AM	AMI	$\bar{X}$	SD	Mkpebi
6.	Ọtụtụ ndị nkụzi anaghị akanye akara ụdaolu n'okwu Igbo na mgboodee ebe ụmụakwụkwọ ga-ahụ ya ma mụta etu e si akanya ya.	89	39	30	42	2.87	1.19	Anabatara
7.	Ndị nkụzi iji eserese chaatị adabaghị akụziri ụmụakwụkwọ akara ụdaolu na-ebutere ha nsogbu n'ịtịnye akara ụdaolu n'okwu Igbo.	61	44	41	54	2.56	1.18	Anabatara
8.	Ọtụtụ ndị nkụzi asụsụ Igbo na-eji naanị akwụkwọ ọgụgụ akụziri ụmụakwụkwọ ịtịnye akara ụdaolu karịa	71	51	37	41	2.71	1.14	Anabatara

	idepụta okwu ndị ahụ na mgboodee ka ụmụakwụkwọ ghọta ya nke ọma.							
9.	Ndị nkụzi iji onyoonyo ebughị okwu Igbo a kanyere akara ụdaolu akụziri ụmụakwụkwọ itinye akara ụdaolu na-emetụta ha n'ọmụmụ akara ụdaolu.	70	84	27	19	3.02	0.93	Anabatara
10.	Ụfọdụ ndị nkụzi na-eji eserese kadbọd e depụtara okwu Igbo enweghi ntinye akara ụdaolu akụziri ụmụakwụkwọ akara ụdaolu nke agaghị enyere ụmụakwụkwọ aka mụta itinye akara ụdaolu n'okwu Igbo.	54	72	44	30	2.75	1.01	Anabatara
	Mgbakọtaọnụ Miin					**2.78**		

Na tebul nke abụọ dị n'elu ebe a, akara miin ndị e nwetara gụnyere: 2.87, 2.56, 2.71, 3.02 na 2.75. Miin ndị ahụ gafeere miin ọnọdụ mkpebi bụ 2.50 nke gosiri na ngwa nkụzi ndị nkụzi ji akụzi maka akara ụdaolu na-emetụta ụmụakwụkwọ n'ọmụmụ itinye akara ụdaolu n'okwu Igbo. Ọzọ kwa, ndịpụ n'izugbe e nwetara maka miin nke ọbụla bụ 1.19, 1.18, 1.14, 0.93 na 1.01 n'otu n'otu. Tinyere nke a, akara miin mgbakọtaọnụ dị na tebul nke abụọ a bụ 2.78 nke gafekwara 2.50 bụ akara miin ọnọdụ mkpebi miin ndị a nabatara na nchọcha. Ya bụ na ngwa nkụzi na-ebutere

ụmụakwụkwọ nsogbu n'itinye akara ụdaolu na mkpụrụokwu Igbo izugbe n'ogo sinịọ sekọndịrị.

Ajụjụ Nchọcha nke Atọ: Olee ka usoro nkụzi dị iche iche ndị nkụzi ji akụzi akara ụdaolu si bụrụ nsogbu n'ịtịnye akara ụdaolu n'ebe ụmụakwụkwọ nọ?

Tebul nke Atọ: Miin na ndịpụ n'izugbe gosiri ka usoro nkụzi dị iche iche ndị nkụzi ji akụzi akara ụdaolu si bụrụ nsogbu n'ịtịnye akara ụdaolu n'ebe ụmụakwụkwọ nọ

Ọgụ	Ndịna	EMI	EM	AM	AMI	$\bar{X}$	SD	Mkpebi
11.	Ụfọdụ ndị nkụzi na-ewebata egwuregwu adabaghị mgbe ha ji usoro nkụzi egwuregwu akụzi ịtịnye akaraụdaolu.	71	61	30	38	2.82	1.11	Anabatara
12.	Ịkpọpụta ụmụakwụkwọ ka ha tinye akara ụdaolu n'okwu abụọ nwere otu nsụpe na-eme ka ha ghara ịma nke bụ nke maọbụ akara ụdaolu kwesiri.	70	84	27	19	3.02	0.93	Anabatara
13.	Iji usoro kwunkwunwo kụzie akara ụdaolu mgbe ụmụakwụkwọ na-eme mkpọtụ na klaasị na-ebute nsogbu n'ịtịnye akaraụdaolu.	65	83	34	58	2.57	1.21	Anabatara

14.	Ndị nkụzi ịmakọ usoro nkụzi abụọ maọbụ karịa mgbe a na-akụzi akara ụdaolu na-eme ka ụmụakwụkwọ ghara ighọtazi ka e si atịnye akara ụdaolu n'okwu Igbo.	92	46	28	34	2.98	1.13	Anabatara
15.	Ụfọdụ ndị nkụzi na-eji naanị usoro ihe omume ọrụ ụlọ akụziri ụmụakwụkwọ ịtịnye akara ụdaolu nke agaghị enwe onye ga-enyere ha aka n'ụlọ.	87	44	24	45	2.86	1.20	Anabatara
	Mgbakọtaọnụ Miin					**2.85**		

Tebul nke atọ dị n'elu ebe a gosiri na usoro nkụzi dị iche iche ndị nkụzi ji akụzi akara ụdaolu na-ebutere ụmụakwụkwọ n'ogo siniọ sekọndịrị na zonu mmụta Udi nsogbu n'itinye akara ụdaolu na mkpụrụ okwu Igbo izugbe. Nke a pụtara ihe site n'akara miin pụtara ihe na tebul nke mbụ ahụ ndị gụnyere: 2.82, 3.02, 2.57, 2.98 na 2.86. Akara miin ndị ahụ e depụtara n'elu ebe a gafeere 2.50 bụ akara miin ọnọdụ mkpebi miin ndị a nabatara na nchọcha a. Ọzọ kwa, akara miin mgbakọtaọnụ pụtara ihe na tebul nke atọ bụ 2.85 nke gafekwara 2.50, ọnọdụ mkpebi. Ihe ndị a gosiri na usoro nkụzi ndị nkụzi ji akụzi ihe na-ebute nsogbu n'itinye akara ụdaolu n'okwu Igbo izugbe n'ogo siniọ sekọndịrị dị na zonu mmụta Udi.

Ajụjụ Nchọcha nke Anọ: Kedu ka mmasị ụmụakwụkwọ nwere si ebute nsogbu n'ịtịnye akaraụdaolu?

Tebul nke Anọ: Miin na ndịpụ n'izugbe gosiri ka mmasị ụmụakwụkwọ nwere si ebute nsogbu n'ịtịnye akaraụdaolu

Ọgụ	Ndịna	EMI	EM	AM	AMI	$\bar{X}$	SD	Mkpebi
16.	Anaghị m enwe mmasị n'ihe gbasara akara ụdaolu Igbo.	74	77	25	24	3.00	0.91	Anabatara
17.	Ana m apụ na klaasị mgbe ọbụla onye nkụzi anyị na-akụzi maka akara ụdaolu.	48	61	41	50	2.53	1.13	Anabatara
18.	Enweghi m mmasị n'ọmụmụ asụsụ Igbo ma ya fọdụzie ịtịnye akara ụdaolu n'okwu Igbo.	39	89	30	42	2.62	1.14	Anabatara
19.	Ana m ada ịtịnye akara ụdaolu mgbe ọbụla onye nkụzi kpọpụtara m na klaasị ka m tinye akara ụdaolu n'okwu Igbo, nke mere na m enweghizi mmasị na ya.	63	68	44	25	2.84	1.12	Anabatara
20.	Ịtịnye akara ụdaolu n'okwu Igbo siri ike, nke a mere na m enweghi mmasị n'ịmụ ya.	34	118	28	20	2.83	1.13	Anabatara
	Mgbakọtaọnụ Miin					**2.85**		

Na tebul nke anọ dị n'elu ebe a, akara miin e nwetara ebe a na-egosi na mmasị ụmụakwụkwọ na-ebutere ha nsogbu n'itinye akara ụdaolu n'okwu Igbo izugbe. Nke a bụ n'ihi na miin ndị ahụ gafeere 2.50 bụ ọnọdụ mkpebi miin ndị a nabatara na nchọcha a. Miin ndị ahụ gụnyere 3.00, 2.53, 2.62, 2.84 na 2.83. Ndịpụ n'izugbe ha n'otu n'otu bụ: 0.91, 1.13, 1.14, 1.12 na 1.13. Ebe mgbakọtaọnụ miin bụ 2.76 nke gafekwara 2.50 bụ ọnọdụ mkpebi miin ndị a nabatara na nchọcha a. Ya bụ na mmasị ụmụakwụkwọ n'ọmụmụ akara ụdaolu na-ebutere ha nsogbu n'itinye akara ụdaolu n'okwu Igbo izugbe n'ogo siniọ sekọndịrị dị na zonu mmụta Udi.

Ajụjụ Nchọcha nke Ise: Kedu ka ọdịdị asụsụ Igbo si ebute nsogbu n'ịtịnye akara ụdaolu n'okwu Igbo?

Tebul nke Anọ: Miin na ndịpụ n'izugbe gosiri ka ọdịdị asụsụ Igbo si ebute nsogbu n'ịtịnye akara ụdaolu n'okwu Igbo.

Ọgụ	Ndịna	EMI	EM	AM	AMI	$\bar{X}$	SD	Mkpebi
21.	Asụsụ Igbo bụ asụsụ ụdaolu nke mere na ịtịnye akara ụdaolu na-ahịa ụmụakwụkwọ ahụ.	66	44	41	54	2.56	1.18	Anabatara
22.	Ụfọdụ okwu n'asụsụ Igbo nwere otu nsụpe n'odide ha nke mere na ọ na-esiri ụmụakwụkwọ ike ịtịnye akara ụdaolu n'ụdị okwu ahụ.	87	44	24	45	2.86	1.20	Anabatara
23.	Kpọm na rịkọm jupụtara n'asụsụ Igbo mere na ọ na-ahịa ahụ ụmụakwụkwọ ịtịnye	70	84	27	19	3.02	0.93	Anabatara

	akara ụdaolu n'okwu Igbo							
24.	Asụsụ Igbo bụ asụsụ nwere ọtụtụ olundị nke mkpọpụta okwu ụfọdụ na-adabere n'olundị ndị ahụ nke na-emetụta ụmụakwụkwọ n'ịtịnye akara ụdaolu n'okwu Igbo.	65	43	34	58	2.57	1.21	Anabatara
25.	Nsụpejọ okwu Igbo sitere n'atịnyeghi kpọm n'ụda o kwesiri na-ebute mgbagwoju anya n'itinye akara ụdaolu nke na-ebute nsogbu n'ịtịnye akara ụdaolu n'okwu Igbo n'ebe ụmụakwụkwọ nọ.	103	65	19	13	3.29	0.88	Anabatara
	Mgbakọtaọnụ Miin					**2.86**		

Tebul nke ise gosipụtara na ọdịdị asụsụ Igbo na-ebutere ụmụakwụkwọ n'ogo sinịọ sekọndịrị na zonu mmụta Udi nsogbu n'itinye akara ụdaolu n'okwu Igbo izugbe. Nke a bụ n'ihi na akara miin ndị e nwetara na tebul nke ise dị n'elu ebe a gafeere akara miin mkpebi bụ 2.50. Akara miin ndị ahụ gụnyere: 2.56, 2.86, 3.02, 2.57 na 3.29 ebe ndịpụ n'izugbe ha bụ 1.18, 1.20, 0.93, 1.21 na 0.88. Ọzọ kwa, mgbakọtaọnụ miin dịka o si pụta ihe na tebul nke ise bụ 2.86 nke gafekwara 2.50, ọnọdụ mkpebi akara miin ndị a nabatara na nchọcha a. Ihe ndị a gosiri na ụmụakwụkwọ ndị sinịọ sekọndịrị kwetara na ọdịdị asụsụ Igbo bụụrụ ha nsogbu n'itinye akara ụdaolu n'okwu Igbo izugbe.

Mkparịtaụka

Nchọpụta nchọcha a gosiri na olundị Udi ndị nkụzi ji akụziri ụmụakwụkwọ Igbo izugbe na-emetụta ha n'itinye akara ụdaolu na mkpụrụokwu Igbo izugbe. Akara miin e nwetara na tebul nke mbụ n'isi nke anọ na nchọcha gosipụtara nke a. Nchọpụta nchọcha a dabara n'ihe Ude (2016) kọwara maka olundị, ebe ọ kọwara na olundị na-emetụta ụmụakwụkwọ n'ịkanye akara ụdaolu n'okwu Igbo izugbe. Nke a pụtara na iji mee ka ụmụakwụkwọ na-eme nke ọma n'itinye akara ụdaolu, ọ dị mkpa ka ndị nkụzi na-agba mbọ e ji Igbo izugbe akụziri ụmụakwụkwọ Igbo izugbe.

Ọzọ kwa, nchọpụta nchọcha a gosikwara na ngwa nkụzi ndị nkụzi ji akụzi asụsụ Igbo na-ebutere ụmụakwụkwọ nsogbu n'ọmụmụ itinye akara ụdaolu n'okwu Igbo. Iji kwado nke a, onyesi ule WAEC (2021, 2022, 2023, 2024) kọwara na ngwa nkụzi ndị nkụzi ji akụzi ihe nakwa ejighi ezigbo usoro dabara na-ebutere ụmụakwụkwọ nsogbu n'itinye akara ụdaolu na mkpụrụokwu. Ọ gara n'ihu kọwaa na ọ bụrụ na ngwa nkụzi adabaghị n'isiokwu a na-akụzi, ọ ga na-emetụta ụmụakwụkwọ n'ihe ha na-amụ. Ọ dị mkpa ịkọwapụta ebe a na site n'akara miin e nwetara na tebul nke abụọ n'isi nke anọ na nchọcha, o gosiri na ngwa nkụzi na-emetụta ụmụakwụkwọ n'itinye akara ụdaolu n'okwu Igbo.

Nkọwa tebul nke atọ gosiri na usoro nkụzi ndị nkụzi ji akụzi asụsụ Igbo ọ kachasị itinye akara ụdaolu n'okwu Igbo na-ebutere ụmụakwụkwọ nsogbu n'itinye akara ụdaolu. Akara miin ndị nchọcha nwetara site n'ụsa ndị nzaajụjụ dabara na nchọcha a. Nchọpụta nchọcha a dabara na nkọwa Nwadike (1990) nyere, ebe ọ kọwara na usoro ndị nkụzi na-agbaso mgbe ha na-akụzi ụdaasụsụ kwesiri ịbụ nke ụmụakwụkwọ ga-aghọta nke ọma. Ya bụ na o kwesiri ka ndị nkụzi jiri usoro nkụzi ga-ekwe ka ụmụakwụkwọ ghọta ihe a kụziri. Ọzọ kwa, iji kwado nke a, onyeisi ule WAEC (2021, 2022, 2023, 2024) kọwara ejighị ezigbo usoro nkụzi akụziri ụmụakwụkwọ na-ebutere ụmụakwụkwọ nsogbu n'itinye akara ụdaolu na mkpụrụokwu Igbo.

Dịka o si pụta ihe na tebul nke anọ n'isi nke anọ, nchọpụta nchọcha a gosiri na mmasị ụmụakwụkwọ nwere n'ọmụmụ asụsụ Igbo na-emetụta ha n'itinye akara ụdaolu na mkpụrụokwu Igbo. Nke a pụtara ihe n'akara miin ndị ahụ e nwetara na tebul nke anọ ahụ n'ihi na ha gafeere akara miin ọnọdụ mkpebi miin ndị a

nabatara na nchọcha a. Iji kwado nke a, Udoye (2019) kọwara na ụmụakwụkwọ anaghị enwe mmasị n'ihe ọmụmụ asụsụ Igbo n'ihi na ihe na-amụ n'asụsụ Igbo bụ iji gafee n'ule. Ọ gara n'ihu kọwa na ọ bụghị mmasị ka ụmụakwụkwọ na-egosipụta mgbe ha na-amụ asụsụ Igbo. N'ihi nke a, enweghị mmasị ụmụakwụkwọ n'ebe asụsụ Igbo dị na-ebute ọdịda n'ule asụsụ Igbo, ọ kachasị n'ule sinịọ sekọndịrị.

Nchọpụta nchọcha e nwetara na tebul nke ise gosiri na ọdịdị asụsụ Igbo sokwa ebute nsogbu n'itinye akara ụdaolu na mkpụrụokwu Igbo n'ebe ụmụakwụkwọ n'ogo sinịọ sekọndịrị nọ. Akara miin ndị ahụ pụtara ihe na tebul nke ise gosipụtara nke a n'ihi na ha niile gafere akara miin ọnọdụ mkpebi miin ndị a nabatara na nchọcha a. Nchọpụta nchọcha a dabara na nkọwa Ude (2016) nyere maka ọdịdị Igbo na-ebute amaghị nsụpe okwu, mkpọkọ okwu abụọ nwere otu nsụpe nke na-ebutekwa amaghị atịnye akara ụdaolu n'okwu Igbo. N'ihi na asụsụ Igbo bụ nke ụdaolu, ọ na-eme ka ụmụakwụkwọ na-enwe mgbagwoju anya n'ịtịnye akara ụdaolu, ọ kachasị okwu abụọ nwere otu nsụpe.

Mmechi

Na mmechi, nchọcha a nke isiokwu ya bụ Nsogbu ụmụakwụkwọ n'ogo sinịọ sekọndịrị na-enwe n'ịtịnye akara ụdaolu n'okwu Igbo na zonu mmụta Udi, steeti Enugu agbaala mbọ chọpụta na olundị Udi, ngwa nkụzi ndị nkụzi ji akụzi ọmụmụ asụsụ Igbo, usoro nkụzi, mmasị na ọdịdị asụsụ Igbo na-ebutere ụmụakwụkwọ n'ogo sinịọ sekọndịrị nsogbu n'ịtịnye akara ụdaolu n'okwu Igbo.

Ntụnye Aro

Site na nchọpụta nchọcha a, ndị nchọcha tụrụ aro ndị a:

- Ka ndị nkụzi asụsụ Igbo n'ụlọakwụkwọ n'ogo sinịọ sekọndịrị na zonu mmụta Udi mata na o kwesiri ka ha jiri Igbo izugbe na-akụziri ụmụakwụkwọ asụsụ Igbo na klasị n'ihi na olundị Udi ha na-ewebata mgbe ha na-akụzi ihe na-emetụta ụmụakwụkwọ n'ọmụmụ asụsụ Igbo. Nke a ga-enye aka mee ka ha na-eme nke ọma n'itinye akara ụdaolu n'okwu Igbo etu o kwesiri.
- Ka ndị nkụzi na-eji ngwa nkụzi dabara adaba akụziri ụmụakwụkwọ n'ogo sinịọ sekọndịrị na zonu mmụta Udi itinye akara ụdaolu n'okwu Igbo. Ọzọ kwa, ka gọọmentị gbaa mbọ nye ndị nkụzi akarangwa ọmụmụ asụsụ dị iche

iche ebe ọ dị ukwuu nke ga-enyere ma ndị nkụzi ma ụmụakwụkwọ aka na nkụzi na ọmụmụ akara ụdaolu Igbo.

- Ọzọ kwa, ka ndị nkụzi jiri usoro nkụzi dabara adaba na-akụziri ụmụakwụkwọ etu e si etinye akara ụdaolu n'okwu Igbo. Ha ga-eme nke a site n'ịgbanwekọrịta usoro nkụzi ha dịka o si kwesi.
- Ka gọọmentị, ndị nkụzi, na nne na nna na-enye ụmụakwụkwọ ihe mgbamume ga-eme ka ha nwe mmasị n'ọmụmụ asụsụ Igbo. Ọ bụrụ na gọọmentị nye ụmụakwụkwọ ihe mgbamume dịka ego, ịgụ akwụkwọ n'efu n'ogo dị iche iche ọkachasị ndị nwere mmụọ ịgụ asụsụ Igbo, ọ ga-ewulite mmasị ụmụakwụkwọ n'ebe ọmụmụ asụsụ Igbo dị.
- Ka ndị nkụzi gbaa mbọ ghọta ọdịdị asụsụ Igbo nke ọma nke ga-eme ka ụmụakwụkwọ mata etu ọdịdị asụsụ dị n'ihi na ọ ga-enyere ha aka ịmụta ịtịnye akara ụdaolu n'okwu Igbo nke ọma ọ kachasị okwu ndị nwere otu nsụpe n'Igbo.

Nchịkọta

Na nchọha a nke isiokwu ya bụ Nsogbu ụmụakwụkwọ n'ogo sinịọ sekọndịrị na-enwe n'ịtịnye akara ụdaolu n'okwu Igbo na zonu mmụta Udi na-enwe n'itinye akara ụdaolu n'okwu Igbo, ndị nchọcha kọwara atụtụ dị iche iche dịka asụsụ, olundị, mmasị, ngwa nkụzi, usoro nkụzi na ọdịdị asụsụ. Ha gakwara n'ihu kọwaa atụtụ mmụgharị nke Skinner. Ndị nchọcha lebakwara anya n'usoro a gbasoro mee nchọcha ma chọpụta na olundị, ngwa nkụzi, usoro nkụzi, mmasị ụmụakwụkwọ na ọdịdị asụsụ Igbo bụcha mgbamonwe na-ebutere ụmụakwụkwọ n'ogo sinịọ sekọndịrị nsogbu n'itinye akara ụdaolu n'okwu Igbo. Ndị nchọcha tụrụ aro dị iche iche nke dabere n'ihe a chọpụtara.

Nrụaka

Aroh, O.E. & Ezugwu, I.N. (2022). Nsogbu ụmụakwụkwọ n'ogo praịmarị na-enwe n'ọgụgụ ihe e dere n'asụsụ Igbo n'okpuru ọchịchị ime obodo Igbo-Etiti, Steeti Enugu.

Crystal, D. (2021). *Making sense of grammar*. University of California: Pearson Longman "Diacritic". Definition.net.STANDS4LLC, 2021. Web. 9 Dec.2021. <https://www.definitions.net/definition/diacritic.

Nordquist, R. (2019). Definition and Examples of Dialect in Linguistics: Glossary of Grammatical and Rhetorical Terms. ThoughtCo.

https://www.thoughtcom.com/writing-defintiion-1692616. Retrieved 15th November 2021.

Nwadike, I.U. (1990). *Nka na usoro nkụzi Igbo*. Ontisha: Ifunanya Publishers.

Nworgu, B.G. (2015). *Educational research: Basic issues and methodology* (Third Edition). Udi Enugu. University Trust Publishers.

Ofomata, C.E. (2006). *Igbo amaka siniọ sekọndịrị*, Love and peace Press Plc., Ibadan.

Oformata, C.E. (2019). *Ndezu ụtọasụsụ Igbo nke ndị siniọ sekọndịrị.* Enugu: Format Publishers Nigeria Ltd.

Onu, M.A. & Obianika, E.C. (2019). The role of Igbo language in National development. *IOSR Journal of Humanity and Social Science.* Vol. 24, Issue 2.

Onyishi (2001). Nsogbu ụmụakwụkwọ na-enwe n'itinye akara edemede na Udi L.G.A. Unpublished B.Ed. Project, University of Nigeria Udi.

Skinner, B.F. (1957). Verbal behaviour. New York: Appleton.

The West African Examinations Council, (2016, 2017, 2018). *Chief examiners' reports Nigeria*. Lagos: WAEC.www.waec.

Ude, F.U. (2018). *Nduzi n'usoro ime nchọcha n'asụsụ Igbo.* Enugu: Computer Edge Publisher.

Ude, U.F. (2016). Mmetụta akpọmakpọ olu Igbo Waawa n'ọmụmụ ụtọasụsụ Igbo izugbe n'ogo siniọ sekọndịrị dị na steeti Ebonyi na Enugwu. unpublished Ph.D Thesis, Faculty of Education, UNN.

Udeoye, E.I. (2019). Challenges of teaching and learning the Igbo Language at Chukwuemeka Odumegwu ojukwu University, Nigeria. *International Journal of Linguistics, Literature and Translation*. Vol. 2 DOI: 10:32996/ijllt.2019.2.2.29.